Ịha Mmiri N'ala Igbo

Nke

Magnus Aniago
Institute of African Studies, University of Nigeria, Nsukka
magnus.aniago@unn.edu.ng
+2347064977068

Grace Nneoma Arohonyekachi
Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka
emmanuelgracenneoma@gmail.com
+2347068818831

Josephine Chidera Ugwuamoke
Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka
chiderajosephineogbobe@gmail.com
+2348164444229
***Correspondence author**

Ụmịedemede

N'edemede a, nchọcha lebara anya n'ihe gbasara 'iji mmiri na ịha mmiri' n'ala Igbo. Iji mmiri na ịha mmiri bụ ọkpụrụkpụ ihe dị n'omenaala Igbo nke ha ejighi egwu egwu maọbụ akpa amụ. Ihe gbasara iji mmiri ka gbagwojuru ọtụtụ mmadụ anya ka ọ bụ ihe na-eme ka ọ bụ ihe anaghị eme. A bia na ndị kwetara Na ọ na-eme, ọ na-ahịa ha ahụ ịkọwa ka nke a si eme. Ọ bụ nke a mere onye nchọcha jiri lemie anya nke ọma ịchọpụta ihe dị n'iji mmiri na ịha mmiri n'ala Igbo. Ọchọcha gụrụ akwụkwọ e degasiri ihe gbasara omenala Igbo. Ọ gbakwara ndị mmadụ ajụjụ ọnụ bụ ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ihe banyere iji mmiri na ịha mmiri. A chọpụtara na iji na ịha mmiri bụ ihe ọtụtụ mmadụ kwenyere na-eme n'ala Igbo. Ndị dibịa na ndị na-eji mmiri na-ewere mgbọrọgwụ na akọrọngwa dị iche iche eme ya. Ọha obodo na mmadụ dị iche iche na-agakwa ka a haara ha maọbụ jiere ha mmiri. Mgbe a na-eji maọbụ aha mmiri, a na-akpọku ndị mmọọ dị iche ndị na-enye aka n'ihe a na-eme. Ndị na-aha mmiri na-emekọrịtakwa n'ụdị ha ji enyere onwe ha aka arụpụta ọrụ a karịa ma ịgbawa onwe ha mgba. Ọtụtụ kwenyere ma kowapụtakwa na ịha mmiri bụ ihe doro anya na-eme eme n'ala Igbo.

Ọkpụrụkpụ okwu gasị: Ịha mmiri, Iji mmiri, mgbọrọgwụ, akọrọngwa, dibịa, na ọha obodo

Mkpọlite

Obodo ọbụla nwere ihe e ji mara ha. Mba dị iche nwekwara ka ha si ebi ndụ nke e nwere ike ịkpọ omenala ha. Omenala bụ ka ndị si ebi ndụ, ka ha si akpa agwa nke ha merela ogologo oge, nke pụtara na ọ marala ha ahụ. Ude (2019) kwuru na omenala bụ usoro obibi ndụ e ji mara mba maọbụ agbụrụ dị iche iche. O kwuru na nke a gụnyere asụsụ ha, etu ha si eyi akwa, ụdị nri ha na-eri, okpukperechi ha, na nkwenye ndị ọzọ dị iche iche. Nwadike n'ime Ude (2019), n'aka nke ya kọwara omenala dị ka okwu na-egosipụta ka agbụrụ ọbụla si ebi ndụ ya, dị ka asụsụ, ọrụ ugbo, na nkwenye ha dị iche iche. Odoh, Mba na Okey-Agbo (2021) kwukwara na omenala ndị bụ echichi na omume ha. Na nkọwa ha, ọ bụ ekpemekpe na njirimara mba nke na-apụta ihe dị ka ihe a na-eme nke nwere ike ịbụ ozuru mba ọnụ maọbụ nke naanị obodo ahụ na-eme. Ịha mmiri so n'otu omenala nke zuru Igbo niile ọnụ. Ọ bụ usoro ndị agbaochie na ndị agbaọhụrụ si eme ka mmiri zoo maọbụ ghara izo n'obodo maọbụ na mmemme.

Onye nchọcha lebara anya n'omenala a bụ ịha mmiri iji chọputa ka e si eme ya maọbụ ka usoro ya si dị. N'ime nke a,, ọ gbara ndị dị iche iche ajụjụ ọnụ nke gụnyere ndị dibịa na ụmụ ha, ndị na-aha mmiri, na ndị maara ihe gbasara ịha mmiri nke ọma. O lebakwara anya n'edemede metutara omenala Igbo na ihe omimi dịgasị n'elu ụwa. Ụfọdụ ihe ndị ọzọ nyere aka na nnyocha a ka e wetara na inteneeti. Nchọcha a bụ nke bara uru n'ihi na nchọpụta ya nwere ike izipụta ndị Igbo dị ka ndị maara ihe bido na mgbeochie. Ọ ga-emekwa ka ndị nchọcha ndị ọzọ lebamie anya n'ihe gbasara ịha mmiri. Ihe mmụta ga-eso nke a nwere ike ime ka e tinye ya n'ihe ọmụmụ sayensi na omenala nke ụlọakwụkwọ mahadum. Nchọpụta ihe banyere ịha mmiri ga-enyekwa aka hụ na omenala a, bụ nke ndị Igbo ejighị egwu egwu efughị. Ihe ndị dị mma n'ime ya ka a ga na-akụzikwara ụmụaka nke ga-eme ka ọ dị ọkpụtọrọkpụ. Nke a pụtakwara ihe n'ebe ụfọdụ a chọpụtara na ụmụ ndị na-aha mmiri na-emekwuazi otu a. Ha na-aha maọbụ eji mmiri dị ka nna ha.

Ịha Mmiri Na Ka Ndị Mmadụ Si Ahụ Ya

O nwere ọtụtụ ihe ndị Igbo na-eme maọbụ na-egosipụta n'aka ọrụ ha nke na-agbagwoju ndị mmadụ anya ka o si ekwe omume. Ọtụtụ mmadụ kwenyere na ihe ndị ahụ bụ ihe ndị na-eme eme, ebe ndị ụfọdụ na-esi agụgọ na ọ bụghị eziokwu nke pụtara na ha na-ewere ya dị ka ihe anwansi. A bịa na ndị kweren'ime ya, ọ dabara n'otu ihe a na-ewere ka ihe omimi. Katikizm nke Nzuko Nsọ Katọlik kọwara ihe omimi dị ka eziokwu abụla eziokwu nke Chukwu ji aka ya wepụta ma ya akarịa uche mmadụ nghọta. *Oxford Languages Dictionary'* kọwara ihe omimi dị ka ihe siri ike ịghọta maọbụ ihe mmadụ agaghị enwe ike aghọta. Na nkọwa nke ya, *Nkọwa okwu Merriam Webster* gosipụtara ihe omimi dị ka ihe a ghọtaghị maọbụ nke karịrị uche mmadụ nghọta. N'otu aka ahụ, *Nkọwa okwu Cambridge*

kọwara ihe omimi dị ka ihe gbagwojuru anya maọbụ nke a mataghị nke ọma. O nwekwara ike ịbụ ihe nke a kọwabeghị maọbụ ghọta ya maọbụ ihe dị na ya.

Otu n'ime ihe omimi ndị a bụ 'ịha' mmiri. Ịha mmiri bu ihe ụfọdụ ndị dibịa na-eme iji mee ka mmiri zoo maọbụ ghara izo. Ọ bụghị naanị ndị dibịa na-eme nke a, ndị nkịtị nwere onyinye ime nke a na-emekwa ya. Ndị ọzọ na-ahakwa mmiri bụ ndị ọ dị n'agbụrụ ha, nke pụtara na nne maọbụ nna ha nyere ha nkuzi dị otu a. Otu onye dibịa oyibo (medical doctor) a na-akpọ Antoni Ogbonna kọwara ịha mmiri dị ka sayensi nke ndị na-eme ya na-esi na ya eme ka mmiri zoo mgbe maọbụ oge ọ kwadoghị izo. Ọ kọwara na ha nwekwara ike mee ka mmiri gharaizo bụ nke ha na-akpọ ịchụ mmiri. Ogbonna kọwara na o nwere ihe ndị na-aha maọbụ achụ mmiri na-emegasị iji mee ka mmiri zoo ma ọ bụ ghara izo. Maazị Joseph Okoye kwuru na ndị na-aha mmiri na-eme ka mmiri zoo maọbụ ghara izo. Ọ kọwara na ka nna ya si eme ya bụ na o nwere udị ahịhịa na akwụkwọ ndị ọ ga-akpakọta dobe ha n'elu okwute o dọbara maka nke a. Ọ ga-abịa munye ya ọkụ nke ga-ebute oke ikuku. Ọ bụzị oke ikuku a ga-agbago elu kusasịa mmiri kwadoro na ọ ga- ezo. N'otu aka ahụ kwa, ụdị ahịhịa ọzọ na akwụkwọ a ga-amunye ọkụ ga-akwụ anwụrụ nke ga-eme ka urukpu kpuchikọta ọnụ n'eluigwe nke ga-emechaa zoo mmiri. Joseph Okoye kwukwara na ụfọdụ ndị a na-aha mmiri na-esikwa na ya ezipụ agbarakaigwe nke nwere ike ije mebie ihe na mba. Maazị Leonard Eze, n'aka nke ọzọ kwadoro na ndị na-aha mmiri na-eme ka mmiri zoo ma ọ bụ gharaizo. Ndị mmadụ na-agakwu ndị dị otu a, ka ha meere ha ka mmiri zoo maọbụ gharaizo. Ọ bụrụ na o nwere oke mmemme maọbụ oriri a ga-eri n'obodo nke metutara igwe mmadụ, a na-agakwuru ndị na –eji mmiri gwa ha ka ha mee ka mmiri ghara izo n'oge mmemme ndị a. Ihe nke a gosiri bụ na otu onye nwere ike ịsị ka a haara ya mmiri, ọha na eze nwekwara ike ime otu a.

Na nkọwa nke ya, otu onye a ma ama n'iji mmiri n'obodo Eke, a na-akpọ Nwaanaamụ kwuru na a na-eji mmiri ma na-ahakwa mmiri. Ọ kọwara na iji mmiri bụ ime ka mmiri hapụ izo, ebe ịha mmiri bụ ime ka mmiri zoo. Dị ka o si kọwaa, ọ bụ mgbọrọgwụ ka e ji eme ụzọ ihe abụọ ndị a. Nwaanaamụ kwuru na ya onwe ya ahapụla iji mgbọrọgwụ na-eji maọbụ na-aha mmiri. O kwuru na ya weziri nke a hapụrụ ụmụnne ya ka ha na-eme. Ọ kọwara na ihe ya ji mee nke a bụ na a bịa na ndị na-eji mgbọrọgwụ, ha na-emegide onwe ha ọtụtụ oge nke bụ na otu onye na-eme ka mmiri hapụ izo, onye nke ọzọ a na-eme ka o zoo. Nke a mere ya onwe ya ji hapụ imezi ya n'usoro mgbọrọgwụ, na-emezi ya n'usoro ụka nke bụ usoro okpukpe ya jisi ike ugbu a.

Ọtụtụ oge, ihe a na-eji ejekwukarị ndị na-aha mmiri bụ ka ha mee ka mmiri ghara izo. Oge ụfọdụ kwa, mmadụ chọrọ imegide ibe ya nwere ike jekwuru onye na-aha mmiri gwa ya ka o mee ka mmiri zoo ụbọchị ọ ga-agwa ya ka o meere ya nke a. Ụbọchị ahụ nwere ike

ịbụ oge onye ahụ ọ chọrọ imegide na-eme nnukwu mmemme dị ka alụmdi na nwunye, ichi echichi dị ka ọzọ maọbụ imepe ụlọ. Ọ dị mkpa ịmata na ọ bụghị ndị niile na-aha mmiri ga-ekwe imegide onye ọzọ site n'izoro ya mmiri. Ụfọdụ ga-asị mba n'ihi na ha kwetara na imegide mmadụ adịghị mma.

A bịa n'aka nke ọzọ, ọha obodo nwere ike chọọ ka mmiri zoo maka ihe ha kọrọ n'ugbo. Ha ga-agakwu ndị na-aha mmiri, gwa ha maka nke a ma kwụọ ụgwọ metutara nke a. Ha na-emekwa ihe ndị ọzọ a gwara ha ka ha mee. Dị ka otu onye na-aha mmiri a na-akpọ, Ụbanị si kọwaa, ha bụ ndị na-aha mmiri maọbụ ndị dibịa na-enwe nzukọ bụ nke na-enyere ha aka ka ha na-emekọ ihe ọnụ. Nke a mere na ọ bụrụ na a kpọọ otu onye n'ime ha ọrụ ịha mmiri n'otu obodo, ọ ga-eme ka ndị ọzọ na-aha mmiri n'obodo ahụ mata, ka ha ghara imebiri ya ihe n'ọrụ ahụ a kpọrọ ya kama ka ha nyere ya aka ka ọrụ ahụ a kpọrọ ya gaa nke ọma. Ọ bụrụ na ọ maghị onye maọbụ ndị na-aha mmiri n'obodo ahụ, ọ ga-ajụ ase, e gosi ya ebe ha bi maọbụ ka ha si nọrọ. Ọ mata nke a, ọ gakwuru onye maọbụ ndị dị otu a, rịọ ya maọbụ gwaa ha ka a dọnyere ya ukwu n'ọrụ ọ bịara. Nke a ga-eme ka ha ghara imegide ya. Ọrụ ịha mmiri maọbụ iji mmiri ya ga-agazi werewere n'enweghị nsogbu. Ọ bụrụ na o dozighị ọnọdụ dị otu a, ha nwere ike mee ka mmiri zoo ebe ọ na-eji mmiri maọbụ mee ka ọrụ ọ bịara nye ya nsogbu maọbụ hịa ya ahụ.

Ka E Si Eji Mmiri

Ndị dibịa na ndị na-aha mmiri na-agbaso ụzọ dị iche iche eji mmiri maọbụ aha mmiri. N'ime ha, a na-eji akwụkwọ ndụ, okwute, na ọkụ. Ihe ụfọdụ ka ha na-eme n'ihu ụlọ ha; ebe ụfọdụ bụ n'azụ ụlọ maọbụ n'ime ụlọ. Dị ka nwoke dibịa a na-akpọ Christopher Obianị nke si Oshimili dị na steeti Delta si kọwaa, onye ọbụla na-aha maọbụ eji mmiri nwere ụzọ ya onwe ya si mata maọbụ chọọ ịgbaso nwere eme nke a. Ọ sịrị na iwu mbụ onye na-aha mmiri ga-edowe bụ na ya na nwaanyị agaghị edila n'otu akwa ụbọchị dị otu a nakwa ebe a ga-eji mmiri ahụ. O kwuru na ahịhịa ndị ya onwe ya ji eme nke ya bụ: isilimmọọ, ezeọgwụ, nwataatapịa, akakpọ (akakpọ tụlụ ime n'ihu, mụọ nnwa n'azụ), izikeama, ọdụdụ, opiewu na ihe ndị ọzọ.

Dibịa Obiani kọwara ka o si eme nke ya. O kwuru sị, "na mbidote, ana m ewere ahịhịa niile ndị a, kekọọ ha ọnụ, kedo ha n'osisi, bịazie mụnye ọkụ n'okpuru ya." Obianị kwuru na anwụrụ ọkụ na-apụta na ya ga-aga metu eluigwe, mee ka eluigwe chaa. Ọ bụrụ na nke ojiji, ya bụ ime ka mmiri ghara izo, Ụbanị kwuru na ya ga-etinye ya ọkpọlọkpọọ maọbụ ose. Nke a ga-eme ebe niile ekpuchite, "enuigwe agbawa kilikili" Mgbe nke a na-eme, ya ga-ewetazị mpiewu a na-akpọ ozodo, were ya tunie n'elu, "ikuku apụọ. Ikuku a kugide, mmiri ahụ chọrọ izo agbasasịa.

N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ na a chọrọ ịha mmiri, ya bụ ime ka mmiri zoo, ọ bụkwa otu ahịhIa ndị ahụ e ji achụ mmiri maọbụ eme ka mmiri ghara izo ka a na-eji emekwa ya. Naanị ihe dị iche bụ na a ga-eweta okpokoro ejula, ya bụ nke ihe adịghị n'ime ya, were ahịhịa a na-akpọ ntịeke fọnye n'okpokoro ejula ahụ, were mamịrị gbakwasa ya. E weziere unyi tinyere ya, "enuigwe adọbiri." Mmiri ebido zowe. Nke bụ ahịhịa a ga-etinye ọkụ ga-dị n'ime ụlọ, ebe okpokoro ejula ga-adị n'azụ ụlọ. Ka ihe ndị a na-eme, onye ahụ na-aha mmiri ga na-agaghari na-eleru ihe dum ahụ anya ịhụ na ihe dum na-aga etu o kwesiri. Ọ bụrụ nke ojiji, anya ya ga-adi n'ọkụ nke dị n'me ụlọ. Ọ bụrụ na nke ọdụdọ, anya ya adị n'azụ ụlọ ebe okpokoro ejula ahụ dị. E nwekwara ike ịtụkwasa ụfọdụ ngwa ndị a n'elu okwute mgbe e ji ha arụ ọrụ. Dị ka Dibịa Christopher Obiani si kọwaa, ihe ndị a na-aga, onye ahụ na-aha maọbụ eji mmiri ga na-akpoku mmọọ na-ahụ maka nke ọ bụla ọ na-eme n'ihe ndị a. Ọ bụrụ ịha mmiri, ọ ga na-akpọku mmọọ na-ahụ maka ya. Ọ bụrụ ojiji, otu ihe ahụ ana-emekwa, ya bụ, dibịa maọbụ onye ahụ na-eji mmiri ana-akpọku mmọọ ahụ na-ahụ maka ya.

Ọ dị mkpa ka a mata na ọ bụghị naanị otu ụzọ maọbụ otu usoro ka ndị a niile na-aha maọbụ eji mmiri na-agbaso eme nke a. Onye ọbụla na-agbaso ụzọ o si mụta maọbụ ka ya na chi ya si kpa. Ọzọkwa. Ha nwere ike gaa obodo abụghị obodo ha rụọ ọrụ a, ma a kpọọ ha maka nke a. Ihe ọzọ dịkwa mkpa ka a mata na a na-eji mmiri bụ na ọ bụ ikuku ahụ a an-eme ka o kuwe na-achụsasị mmiri ahụ na-achọ ka o zoo. Ọ bụrụ na a na-aha mmiri, ọ bụkwa otu ikuku ahụ ga-ebuga mmiri ahụ ebe a chọrọ ka o zoo.

Ihe ọzọ pụtakwara ihe bụ na ndị na-aha maọbụ eji mmiri na -arụkọ ọrụ ọnụ. Nke pụtara na ha na-enyere onwe ha aka iji hụ na ọrụ ahụ gara nke ọma. Ọ bụrụ na otu onye n'ime ha nwere obodo dị ya mkpa ọ chọrọ ịga ọrụ maọbụ ebe a kpọrọ ya ka ọ bịa ọrụ iji mmiri maọbụ ịha mmiri, ọ ga-aga obodo ahụ jụọ ese onye na-aha maọbụ eji mmiri bi n'obodo ahụ. Ọ ga-aga hụ onye dị otu a, kọọrọ ya maka ọrụ ọ chọrọ ka ọ bịa rụọ n'obodo ahụ. Nke a ga-eme ka ọ dọnyere ya ukwu n'ọrụ ahụ ọ bịara ịrụ. Ọ bụrụ na o meghị nke a, o nwere ike mee ka ọrụ ahụ ọ bịara siere ya ike site n'ịchụsasị mmiri mgbe onye otu ya ahụ na-achọ ka o zoo. O nwekwara ike hanye mmiri mgbe ọ na- eji ya eji. Ọ bụ ya mere ndị na-aha mmiri na-eji ejikọ ọnụ were na-arụ ọrụ ha ka ha ghara imebiri ibe ha ihe.

Mgbe onye na-eji mmiri maọbụ aha mmiri rụchara ọrụ ya, ọ ga-eje kelee onye otu ya ahụ nyeere ya aka site n'inye ya ego maọbụ ihe ọbụla ga-amasị onye ahụ nyeere ya aka.

Mmechi

Ịha maọbụ iji mmiri bụ ihe dị n'omenala Igbo. O zuru Igbo ọnụ n'ihi na ọ hịara ahụ obodo dị n'ala Igbo enweghi onye na-aha mmiri maọbụ eji mmiri na ya. Ọ bụrụ na ha enweghi,

obodo nọ ha nso nwere ike inwe ya. Ọtụtụ mmadụ kwenyere na ya nke mere na obodo nwere ike kwekọrịta ka a ga hụ onye na-eji mmiri ma tụkọta ego na ihe ndị ọzọ ọ chọrọ nye ya ka o mee ka mmiri hapụ izo na mmemme dị ha ezigbo mkpa. Ụfọdụ mmadụ kwenyere na o nwere mmọọ na-achị ihe ndị ahụ, ebe ndị ọzọ kwuru na ọ gbadoro ụkwụ na nka na ụzụ. Ọtụtụ ndị ọzọ na-agbakwa ama na a rụrụ ụdị ọrụ a be ha ma rụta ya. Ebe ọ dị ezigbo mkpa na a ga-emekwu nchọpụta ndị ọzọ miri emi gbasara iji mmiri na ịha mmiri n'ala Igbo. Nchọcha ga-emetukwa mba ndị ọzọ dị na Naịjiria, ịma ka o nwere ka ha si nwee omenala a bụ ịha na iji mmiri na be ha. Nchọcha ka a ga-emekwa ka ndị sayensi sonye n'ime ya iji chọpụtakwa ihe ire dị na mkpa akwụkwọ, ahịhịa, mgbọrọgwụ, okwute, na ihe ndị ọzọ ndị Igbo ji eji maọbụ aha mmiri.

Edensibịa

Anthony Ogbonna of Mgbagbuọwa, 04-09-2016

Cambridge Dictionary. Mystery. https//dictionary.cambridge.org. Retrieved 02-01-2015

Joseph Okoye of Ịgbakwụ, 04-09-2015

Leonard Eze of Eke, 05-01-2016

Merriam Webster Dictionary. Mystery. https//www.merriam Webster.com. Retrieved 25-08-2015

Christopher Obiani of Oshimili, 12-05-1985

Nwaanaamụ Maagbo of Enugu-Eke, 02-07-2015

Odo, C.O, Mbah, B.M. & Okey-Agbo, J.N. (2021). Iti akwa ọnwụ n'ukwu na Nsụka. *Nsukka Journal of African Languages and Linguistics. , 15-35*

Oxford Language Dictionary. Mystery. Google.com. Retrieved, 01-09-2019.

Ude, F.U. (2019). Ụdịdị na ọrụ odomagana n'okpuru ọchịchị Udi, Steeti Enugwu. *Nsukka Journal of Humanities* 27(2) 15-28.